# NDỤMỌDỤ NKE IRUBEISI NYE IWU CHINEKE

## Deuteronomi 4:1-13, 32-40; 5:1-5, 23-33

## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 118 - Nke NdỊetiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "JEHOVA, bú Chineke ayi, ka ayi gēfe òfùfè, olu-Ya ka ayi gēge kwa nti" (Joshua 24:24).**

### Emere Ka Écheta Kwa Ya Ọzọ

N'Ugwu Sainai ka Chineke nyere Iwu dị icheiche nke anaakpọ ụkpụrụ dị icheiche na ikpé dị icheiche. Ọ gwara Ụmụ Israel ka ha cheta ọbụná karịsịa ụbọchị ahụ mgbe O si n'etiti igweoji we gwa ha okwu (Ọpupu 19:9). Ha nụrụ égbèeluigwe, ma hụ́ kwa àmụ̀mà ka ọ naegbu mgbe Chineke nyere Iwu ahụ. Ha amawo kwa jijiji mgbe ọkụ si n'elu ugwu ahụ náere mgbe Chineke kwuru okwu (Ọpupu 19:16-20). Ha nụrụ olu Ya mgbe Ọ naagwa Moses okwu (Ọpupu 19:9). N'ụbọchị ahụ mgbe Chineke gosiri ha ebube na ịdịukwu Ya, Ụmụ Israel ekwewokwarị mkwà ime "ihe nile JEHOVA kwuru" (Ọpupu 19:8). Chineke agwawo kwa ha ka ha ghara ichezọ ihe ndịa niile.

Ọtụtụ mgbe ndị mmadụ naachọ ichetara Chineke mkwà Ya niile, Moses mekwara otú a, mgbe ahụ Chineke kwuru okwu ikpé n'ihi na Ụmụ Israel emewo nwaehi ọlaedo ifè ya òfùfè (Ọpupu 32:13). Mgbe ụfọdụ Chineke naahụ́ na ọ bụ ihe dị mkpà ichetara ụmụmmadụ mkwà niile nke ha kwere Ya. Mgbe mmadụ mebiri ọgbụgbandụ ya maọbụ mkwekọrịta ya na Chineke kwekọrịtara, mgbe ahụ Chineke apụghị kwa idebe akụkụ nke Ya nime mkwekọrịta ahụ. Ọ bụ ihe dị mma icheta ụbọchị ahụ mgbe Chineke gwara anyị okwu, ka anyị wee ghara ichezọ mkwà niile nke anyị kwere Ya.

### Iwu ahụ Niile

Chineke mere ihe karịrị ịrụgide Ụmụ Israel ka ha ñaa Ya ntị: Ọ chọrọ irubeisi n'aka ha. Ọ dọrọ ha akanántị ka ha lezieanya n'okwu Ya ka ha we dị ndụ. Ha gaedebezu Iwu ahụ niile ma ọ bụrụ na ha naatụ́ anya ịbà, wee nweta kwa Ala Kenean. Ụmụ Israel gaedebe Iwu ahụ, mara kwa ya. Lee otú o si dị mkpà taa ịmụ̀ Okwu Chineke iji mata ihe bụ iwu Ya! Mmadụ aghaghị ịmata Iwu Chineke tutu o nweeike idebe ya.

Adọrọ Ụmụ Israel akanántị ka ha ghara itinye ihe ọ bụla n'Iwu nke Chineke, maọbụ kwanụ wepụ ihe na ya. N'otù mgbe, ụfọdụ nime ha tinyere ịkpọ isiala nye Beal-peor. Etigburu ndị ikpé ahụ mara (Ọnu-ọgugu 25:5), ma ndị ahụ nke nọgidere nso Onyenweanyị dịrị ndụ.

Anaachọ kwa n'aka anyị onweanyị n'ụbọchị taa ka anyị debe ihe niile bụ uche Chineke. "Okwu-ọnu ọ bula nke Chineke bu ihe anuchaworo: Ọta ka ọ buru ndi nāgbaba nime Ya. Atukwasila ihe n'okwu-ya nile, ka O wee ghara ibara gi mba, i we ghọ onye-okwu-ugha" (Ilu 30:5, 6). "Tua egwu Chineke, debe kwa ihe nile O nyere n'iwu; n'ihi na nka bu ọlu madu nile" (Eklisiastis 12:13). N'isi nke ikpéazụ nke Akwụkwọ Nkpughe ka okwu ịdọ akanántị ndịa dị: "Ọ buru kwa na onye ọ bula gātukwasiri ha okwu, Chineke gātukwasiri ya ihe-otiti nile nke edeworo n'akwukwọ a: ọ buru kwa na onye ọ bula gāwepu okwu nime okwu nile nke Akwukwọ nke amuma nka, Chineke gēwepu òkè-ya n'osisi nke ndu ahu, wepu kwa òkè-ya n'obodo nsọ ahu, bú ihe edeworo n'akwukwọ a."

### Otù Mba Ukwuu nke Mara Ihe

Agwara Ụmụ Israel ka ha lezie anya, idebe ihe ọ bụla nime ihe niile dị n'Iwu ahụ. Mgbe ahụ mba ndịọzọ gaenwe nsọpụrụ n'ebe ha nọ. Ha gaasị na Ụmụ Israel bụ ndị maara ihe, nwee kwa nghọta. Ha gaamara na Chineke nọ Ụmụ Israel nso iduzi ha, ịlụrụ ha ọ̀gụ̀, na ịzá ekpere ha niile. Ọ dịghị mba ọzọ gaadị ukwuu dịka ha, n'ịma ihe na n'eziomume. Ihe ndịa niile ka ekwere ná mkwà ma ọ bụrụ na ha edebe Iwu niile nke Chineke.

Ọtụtụ mmadụ naachọsi amamihe nke ụwa ike, náachọsi kwa ike ịbụ ndị dị ukwuu. Ụfọdụ naetufu ego dị ukwuu na oge dị ukwuu iji nweta amamihe nke ụwa na ịbụ ndị náede ude, náání ịmara na n'iru Chineke, ha adịghị ukwuu karị. Otù nime ndị makarịsịrị ihe bú Solomon, rịọrọ Chineke ka O nye ya obi nghọta ka ya onweya wee nwee ike ikpé Ụmụ Israel ikpé ziriezi (I Ndi-Eze 3:9). Solomon arịọghị amamihe maka úrù nke onweya. Ọ chọrọ obi nghọta ka ewe nye Chineke nsọpụrụ na otuto site n'ikpé ya niile. Ekpere nke Solomon tọrọ Chineke ụtọ. O nyere Solomon amamihe na àkụ̀ na ebube. Ekwekwara ya mkwà ogologo ndụ ma ọ bụrụ na Solomon emee ihe niile Chineke nyere n'Iwu (I Ndi-Eze 3:13, 14).

Ọtụtụ mgbe mmadụ aghaghị ịrọpụtara onweya ihe maọbụ kpebiere onweya ụzọ ime ihe. N'ịgbanarị ime ndahie, anyị naarịọ Chineke ka O nye anyị amamihe, ka O gosi kwa anyị ihe anyị kwesịrị ime. Baịbụl sịrị na mmadụ kwesịrị ịrịọ amamihe ma ọ bụrụ na ọ maghị ihe ọ gaeme. "Ọ buru na amam-ihe fọduru onye ọ bula nime unu inwe, ya riọ n'aka Chineke, Onye nēnye madu nile n'afọ-ofufo, nātagh kwa uta; agēwere kwa ya nye ya" (Jemes 1:5).

**Izi Ụmụntakịrị Ihe**

Agaazụlite ụmụntakịrị ịma Iwu Chineke na ịtụ egwù Ya. "Nmalite amam-ihe ka egwù JEHOVA bu; ihe-ọmuma nke Onye Nsọ bu kwa nghọta" (Ilu 9:10). "Le, egwù Onye-nwe-ayi, nke ahu bu amam-ihe; ọzọ isi n'ihe ọjọ puta bu nghọta" (Job 28:28). Chineke chọrọ ka ụmụntakịrị ma ndịkom ma ndịnyom ñaa ntị n'Iwu Ya niile. Agwara ndị nna na ndị nne ka ha zi ụmụntakịrị ha na ọ bụghị náánị Iwu niile nke Chineke kama ọ bụ kwa ma ihe niile nke O mewooro ha. Ezoghị ihe ndịa niile ezo ka ha we ghara isi n'obi ha pụọ. Agaeme ka ụmụntakịrị mata ihe ndịa, na ọbụ site n'aka ha ka otuto Jehova gaesi bịa, ya na ịdịike Ya na ọlụ ebube dị icheiche nke Ọ lụworo (Abù Ọma 78:4). "Ka ha we tukwasi obi-ha na Chineke, ghara ichezọ omume nile nke Chineke, ma debe ihe nile O nyere n'iwu" (Abu Ọma 78:7).

Chineke chọrọ ka ụmụntakịrị ma ndịkom ma ndịnyom ñaa ntị n'okwu Ya niile taa. Ọ bụrụ na anyị echeta ihe niile dị ukwu nke Ọ naemere anyị, anyị gaeto ma tụkwasị kwa Ya obi.

**"Rube isi,**

**Ọ dịgh' ụzọ ọzọ**

**Gēnye ọñụ na Jisọs,**

**Karịa irub'isi."**

Obi naatọ OnyeKraist ụtọ, ọ naeme kwa ka obi tọọ ndịọzọ ụtọ site n'ịkọrọ ha banyere ịhụn'anya dị ukwuu nke Chineke bụ́ nke gaesi na mmehie dọpụta ha wee duru ha jee Eluigwe.

**Ọ Dịghị Chi Ọzọ Dị**

Chineke gwara Ụmụ Israel ka ha cheta ihe niile nke O mewooro ha. N'ihi na Chineke hụrụ ha n'anya (Deuteronomi 7:8) esiwo n'Ijipt napụta ha site n'ogweaka Ya dị ike site kwa n'ọlụ ebube dị icheiche na iheịrịbaàmà dị icheiche. Ọ dịghị mba ọzọ ọ bụla nke ejiworo ụdị iheịrịbaàmà dị otú a napụta. Ọ dịghị mba ọ bụla ọzọ hụ́woro ịdịike na ebube Ya. Ụmụ Israel nụrụ olu Ya ma dị ndụ. "Ọ nēgosi Jekob okwu Ya, nēgosi kwa Israel ukpuru-Ya nile na ikpé Ya nile. Ọ mesogh mba ọ bula otú a: ma ikpé Ya nile, ha amagh ha" (Abù Ọma 147:19, 20). Ihe ndịa bụ ihe naegosi na Chineke nọnyere Ụmụ Israel na ha onweha nwekwara ike n'ebe Ọ nọ. Site n'ihe ndịa, Ụmụ Israel -- ndịkom, ndịnyom, na ụmụntakịrị ha na ndị agbataobi ha ma ndịiro ha -- gaeji mata na Jehova bụ Chineke; ọ dịghị kwa chi ọzọ dị ma ewezuga Ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye si n'Ijipt napụta Ụmụ Israel?
2. Gịnị ka Chineke nyere ha n'Ugwu Sainai?
3. Gịnị mere Ụmụ Israel ji mara ihe karị mba ndịọzọ?
4. Gịnị mere eji gwa ha ka ha zi ụmụntakịrị ha Iwu Chineke?
5. Gịnị ka achọrọ n'aka Ụmụ Israel nke gaeme ka ewee duru ha rue Ala ahụ Ekwere ná Mkwà?
6. Gịnị mere mba ndịọzọ ji tụọ ndị nke Chineke egwù?
7. Òlee otú ha si mara na enweghị chi ọzọ ma ọ bụghị náánị Chineke?
8. Gịnị mere anyị ji añantị n'Okwu Chineke?